# AMỤMA DỊ ICHEICHE EBURU BANYERE Ọ́MỤ́MỤ́ KRAIST

## Ọnu-ọgụgụ 24:17; Aisaia 7:14; 9:1-7; 11:1-5; Maika 5:2; Jeremaia 31:15

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 103 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na amuworo ayi otù nwa Otù nwa-nwoke ka enyeworo ayi; ibu Onye-isi gādikwasi kwa n'ubu-ya: agākpọ kwa aha-ya Onye-ebube, Onye-ndum-ọdu, Chineke Nke bu Dike, Nna Nke bu Nna Mgbe nile ebigh-ebi, Onye-isi Udo" (Aisaia 9:6).**

**I Iheị rị baàmà nye Ụwa**

1. Jisọs, Ìhè nke ụwa, ka agaamụ site n'aka nwa agbọghọ náamaghị nwoke, Aisaia 7:14; Matiu 1:21, 23
2. Agaamụ Ya na Betlehem nke Judia, Maika 5:2; Matiu 2:6; Jọn 7:42
3. Akpọrọ Ya aha ise n'ebe a, Aisaia 9:6
4. Mmụọ nke Onyenweanyị gaadakwasị n'arụ Ya, Aisaia 11:2; 61:1; Matiu 3:16; Jọn 1:32
5. Ọ gaeji ezi omume kpee ikpé, Aisaia 11:3, 4; Nkpughe 19:11

**II Otù Ìhè nke Dị Ukwuu**

6. Ọ bụ n'ihi mmehie, ka ọchịchịrị ji kpuchigide ụwa, Aisaia 9:1; 2 Ndị-Eze 17:6, 7
7. Ndị náejegharị n'ọchịchịrị hụrụ ìhè ukwu, Aisaia 9:2; Matiu 4:16; Ndi Efesọs 5:8
8. Mgbe ọ bụla anabatara Oziọma, ọ naetiji yoke nke mmehie webata kwa ọñụ nime obi, Aisaia 9:3-5; Ndi Ikpe 7:22
9. Ọkpara ahụ nke agaamụ, gaanọkwasị n'elu Ocheeze Devid, ọ dighị kwa ọgwụgwụ ọ bụla ịbaụba nke ịbụ onyeisi Ya na udo Ya gaagwụ, Aisaia 9:7; Daniel 2:44; Luk 1:32

**III Otù Kpakpando Gaesi na Jekob pụta**

10. Mkpánáaka eze gaesi kwa n'Israel bilie wee bibie ndị náemebiiwu, Ọnu-ọgugu 24:17; Jenesis 49:10
11. Ome gaesi kwa n'ogwe osisi Jesi pụta, Aisaia 11:1, 4, 10; Ọlu Ndi-ozi 13:22, 23
12. Anụrụ ịkwaákwá na itimkpu na Rema, Jeremaia 31:15; Matiu 2:17, 18

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Okwu Chineke Náadịghị Aghaagha**

"Na mbu ka Okwu ahu diri, Okwu ahu na Chineke di-kwa-ra, Okwu ahu buru kwa Chineke." Ọ dịghị ọghịgha ọ bụla dị n'ebe Ọ nọ, maọbụ onyinye nke nchịgharị náeweta dị nime Okwu Chineke, n'ihi na o sitere na mbụ, ma bụrụ kwa Chineke. Lee otú o si bụrụ ihe dị óké ọnụahịa nime obi anyị bụ́ mkwà niile nke Chineke, n'ihi na anyị matara na Ọ ghaghị imezu ihe O kwewororị ná mkwà. Ọ dịghị kwa ebe ọzọ nime Okwu Chineke bụ́ ebe eziokwu ahụ pụtara ìhè karị otú ọ dị nime amụma niile ahụ eburu banyere ọ́mụ́mụ́ Jisọs. Site na mgbe Chineke gbapụtara mmadụ, anyị chọpụtara na ọtụtụ ihe agabigawo nime amụma niile nke Okwu Chineke nke náatụ Mesaia ahụ aka, bụ Onye mgbapụta nke mmadụ niile. Site na Jenesis gaa gburugburu Agba Ochie niile, rue oge mmezu ya, anyị hụrụ amụma niile ndịa. O mere ka anyị tie mkpu sị, "Le otú Okwu Chineke si buru ihe na-adigh agha-agha!"

**Betlehem Dị Ala**

"Ma gi onwe-gi, Betlehem Efrata, nke di nta idi n'etiti usu nile nke nnu abua na ọgu iri nke Juda, nime gi ka otù Onye gēsi putaram ibu onye nāchi achi n'Israel; Onye ọpupu-ya nile sitere na mgbe ochie, site n'ubọchi nile nke mgbe ebigh-ebi gara-aga" (Maika 5:2). Betlehem dị ala! Ma ọ bụ nime ya ka agaesi zụlite Onyenzọpụta nke mmadụ niile. Ebuwo amụma a ihe dị ka narị arọ asaa (700) tupu amụọ Kraist. Náenweghị obi abụọ ọtụtụ ndịọchị ekweghị na amụma a nime arọ niile ahụ nke náeso mgbe ebusịrị amụma a; n'ihi na ha naasị na ha anụworị amụma ndịa ọtụtụ mgbe n'oge garaaga, ma ọ dịbeghị mgbe o mezuru; ọbụná dịka anyị naanụ ndị mmadụ ka ha naekwu taa banyere ọbịbịa nke Jisọs, na ha anụwo ihe banyere ya ná ndụ ha niile, ma na ọ dịbeghị mgbe o mezuru. Ma nwa Chineke kweere ná mkwà ahụ, ọ naele kwa anya maka ọbịbịa nke Onyenzọpụta ahụ. Chineke nke Eluigwe na ala rọpụtara ebe ánáazụ anụmanụ ka ọ bụrụ ebe agaamụ Jisọs Onye dị nwayọ nke ewedakwara n'ala.

Ọ rọpụtara Betlehem nke bụ obodo ntà ka ọ bụrụ ebe agaamụ Ya. Ọ rọpụtara Nazaret nke eledara anya ka ọ bụrụ ebe Ọ gaanọ n'oge nwata Ya, nke náegosi ụmụmmadụ na, náagbanyeghị otú mmadụ si bụrụ ogbenye, onye ewedara n'ala, maọbụ onye eledara anya nime ụwa a, Eze nke otuto gabigara ihe ndịa niile n'ihi anyị ka ewee gbapụta anyị site ná mmehie anyị niile ka anyị wee nwee ebe obibi n'elu. Lee ụdị ohere nke a bụ na anyị bụ otù nime ndị ahụ dị ntà nke Chineke, na ndị ha na Jisọs Kraist naekekọ ihe!

**Otù Kpakpando Gaesi na Jekob Puta**

Mgbe Belak kpọtara Belam ka ọ kọcha Ụmụ Israel, Onyenweanyị tụgharịrị nkọcha ahụ ka ọ bụrụ ngọzi. Belam wee ji anya onyeamụma hụ́ otù kpakpando nke gaesi na Jekob zọlie ije, na Mkpánáaka eze gaesi kwa n'Israel bilie (Ọnu-ọgugu 24:17). Mgbe narị arọ̀ irinaanọ gasịrị, ụfọdụ ndị amamihe nke si n'ọnwụnwa anyanwụ bịa hụrụ otù kpakpando n'elu. Ọ dị ka ha matara n'otù oge ahụ na amụwo Eze, ha wee ga ogologo ijè ahụ rue Jerusalem ịsọpụrụ Eze ọhụụ a amụrụ.

Anaechè na ndị amamihe a si na agbụrụ Abraham pụta. Náenweghị obiabụọ, ikwesị ntụkwasịobi nke Abraham esowo agbụrụ ya nime ọgbọ niile wee rue mgbe Eze ahụ mesịrị bịa. Ngwangwa, ha wee mata kpakpando ahụ, ha wee jikere jee ogologo ijè ịhụ́ Eze ahụ n'onwe ha.

N'akụkụ niile nke ụwa taa, ndị mmadụ ekwerewo na emezuwo amụma niile ahụ eburu bụ́ nke gaewebata ọbịbịa nke ugbò abụọ nke Eze ebube ahụ. Náagbanyeghị nke a ọ bụ mmadụ olenaole naejikere onweha dịka Baịbụl gwara anyị mee, ma ọ bụrụ na anyị chọrọ ịhụ́ Eze ahụ n'ịmamma Ya.

Ọ dịghị otù nime mkwà ọma ahụ niile nke Chineke kwere banyere ọbịbịa nke mbụ nke Onye ahụ kwesịrịekwesị, Onye dị kwa Nsọ náemezughị, emekwara ka anyị kwenye na ọ dịghị otù nime mkwà ndị ahụ nke náagaghị emezu bụ́ mkwà ahụ nke náagwa anyị banyere ọbịbịa Ya nke ugbò abụọ ka ewee nye Ya otuto nime ndịnsọ Ya niile na kwa ka ibobo Ya wee nwụọ ihe niile n'arụ nime ndị kwereekwe (2 Ndị Tesalọnaika 1:10).

**Ọ́mụ́mụ́ Ya site na Nwaagbọghọ Náamaghị nwoke**

Nime ọgbọ niile, Onyenweanyị emewo ihe ịrịbaàmà dị icheiche iji mee ka ụmụmmadụ kwere n'amamihe Ya na ike Ya nke náenweghị atụ̀. Ọ naeme ihe mmadụ ọ bụla ọzọ náapụghị ime. Jisọs gwara ndị ahụ otù ụbọchị sị, “Kwerenum n'ihi ọlum onwe-ha.” Otù oge Onyenweanyị chọrọrị inye Ehaz bụ́ eze Juda, ihe ịrịbaàmà. Ọ bụ eze ọjọọ ma Onyenweanyị arapụghị igosi ndị nọ n'ala eze nke nwoke ahụ náachịachị obiebere. Ehaz, site n'aghụghọ nke igosi onweya n'onye dịnsọ, ekweghị ịnara ihe ịrịbaàmà nke Chineke chọrọ inye ya. Otú ọ dị, Onyenweanyị kwuru na Ya gaenye ihe ịrịbaàmà. “Le, nwa-agbọghọ ahụ di ime, ọ gaje kwa imu nwa-nwoke, ọ gākpọ kwa aha-ya Immanuel.”

Eleghịanya Ehaz dịka ọtụtụ mmadụ taa, ndị náakpọ ọlụ ebube ihe náabaghị urù. Oziọma Matiu na Luk kwupụtara na nwaagbọghọ náamaghị nwoke mụrụ Jisọs, ma náagbanyeghị nke a, ndị ọbịara Ọhụụ nke ụbọchị taa, bụ ndị mejupụtara nzukọ niile dị n'ala anyị, naekwupụta n'ebe niile na ha ekwenyeghị n'ọ́mụ́mụ́ ahụ nke sitere n'aka nwaagbọghọ ná amaghị nwoke. Okwukwe nke ndị ozi, nke anaewere dịka ihe ziriezi, nke anaagụ kwa nime ọtụtụ arọ̀ ndịa nime nzukọ dị icheiche dịka ihe ọra mmadụ kwekọrịtara na ọ bụ ihe Akwụkwọnsọ kụziri, bụ kwa nke ndị ọbịara ọhụụ ndịa wezugara n'otù akụkụ. O kwupụtara n'ụzọ doro anya na átụrụ́ ime Jisọs site n'ike nke Mmụọ Nsọ, na ọ bụ kwa Meri nwaagbọghọ náamaghị nwoke mụrụ Ya. Mgbe amụrụ mmadụ site na Mmụọ Nsọ, lee otú ọ naadịrị ya mfé ikwere n'Okwu niile nke Chineke!

**Ìhè Ukwuu**

Aisaia buru amụma banyere obodo Zebulon na Naftali wee sị, “Ndi nējeghari n'ọchichịri huru ìhè Uku: ndi bi n'ala onyinyo ọnwu, ìhè amukwasiwo ha.”

Na mbụ mgbe ọchịchịrị kpuchiri ụwa niile, Onyenweanyị mere anyanwụ, ọnwa na kpakpando inye ụwa a ìhè. Otù aka ahụ kwa, mgbe mmehie batara, ụwa wee daba nime ọchịchịrị nke ime mmụọ, Onyenweanyị malitere ikpughe site n'aka ndị amụma Ya na ìhè ukwu gaje ịmụkwasị ụwa nke a, ìhè nke gaamụkwasị mmadụ niile.

Mgbe Josef na Meri kuuru Jisọs gaa n'ụlọ ukwu Chineke inye ihe ịchụàjà dịka ihe enyere n'Iwu Moses si dị, onye nke Chineke ahụ bụ Simeon, hụrụ Jisọs wee kuru Ya n'aka ya gọzie kwa Chineke, sị, “Onye-nwem, ugbu a ka I nārapu orù-Gi ka ọ la n'udo, dika okwu-Gi si di; N'ihi na anyam ahuwo nzọputa-Gi, nke I doziri n'iru ndi nile; Ìhè agēkpughere mba nile ọzọ, Na ebube ndi-Gi, bu Israel” (Luk 2:25-35).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ebe nime Baịbụl ka anyị hụrụ mkwà mbụ ekwere banyere Onye mgbapụta ahụ?
2. Kpọgharịa aha niile ahụ ekwuru na aga akpọ Jisọs
3. Òlee obodo eburu amụma na ọ bụ ebe aga amụ Jisọs, ọ̀ bụ kwa ònye buru amụma ahụ?
4. Gịnị bụ ihe ịrịbaàmà nke Onyenweanyị nyere banyere ọ́mụ́mụ́ nke Jisọs?
5. Ọ̀ bụ amụma òle nke éburu banyere ọ́mụ́mụ́ Jisọs ka emezuworo?
6. Ònye buru amụma na otù kpakpando gaesi na Jekob zọlie ije?
7. Ònye buru amụma na Ome gaesi kwa n'ogwe osisi Jesi pụta?
8. Ọ̀ bụ Onye ka Kpakpando ahụ, Ogwe osisi, na Mkpánaaka eze maọbụ Akala ahụ naatụ̀ aka?